# ÁKÀRÀ NKE ANỤ-ỌHỊA AHỤ

## Nkpughe 13:1-18; 14:9-11.

### IHE ỌMỤMỤ 462 -Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ndi nile ndi bi n'elu uwa gākpọ kwa isi ala nye ya, onye ọ bụla anēdegh aha-ya n'akwukwọ nke ndu nke Nwa-aturu ahu Onye egbuworo site n'oge itọ ntọ-ala nke uwa" (Nkpughe 13:8).**

**I Anụ-ọhị a ahụ**

1. Óké osimiri ahụ nke anụ-ọhịa ahụ siri rịgopụta na-egosi ndị niile, mba niile, na asụsụ niile, Nkpughe 13:1; 17:15.
2. Isi asaa ahụ bụ ala-eze asaa, nke asaa wee bụrụ ala-eze nke anụ-ọhịa ahụ ma ọbụ nke onye ahụ ná-emegide Kraist, Nkpughe 13:1; 17:10, 11.
3. Mpi iri ahụ bụ ndị eze iri jikọtara ọnụ n'okpuru ọchịchị nke onye ahụ ná-emegide Kraist, Nkpughe 13:1; 17:12, 13.
4. Anụ-ọhịa ahụ bụ mmadụ na-enweta kwa ike ya site n'aka dragon ahụ, ma ọbụ Setan, Nkpughe 13:2; 20:2; 2 Ndị Tesalọnaika 2:3, 9.

**II Òfùfè Ọjọọ**

1. Emerụrụ otù nime isi nke anụ-ọhịa ahụ arụ, ma emere ka ọ dị ya mma, Nkpughe 13:3.
2. Ndị mmadụ na-akpọ isi-ala nye dragon ahụ na anụ-ọhịa ahụ, Nkpughe 13:4, 8; 2 Ndị Tesalọnaika 2:4.
3. Anụ-ọhịa ọzọ ma ọbụ onye amụma ụgha ahụ, na-ebili, na-enye aka ma ná-akwagide òfùfè nke anụ ọhịa ahụ, Nkpughe 13:11, 12; 19:20.
4. Emere ọtụtụ ihe ịrịba àmà, akpụkwara ihe oyiyi nke dị ka o nwere ndụ, nke ná-ekwu kwa okwu, ewee ná-akpọ kwa isi-ala nye ya, Nkpughe 13:13-15.

**III Ákàrà ahụ**

1. Anụ-ọhịa ahụ na-ekwulu Chineke, Nkpughe 13:5, 6.
2. Anụ-ọhịa ahụ na-ebuso ndị nsọ ahụ agha, Nkpughe 13:7, 9, 10.
3. Onye amụma ụgha ahụ na-eme ka ndị niile ná-azụta ihe ma ọbụ ná-ere ihe nara ákàrà ahụ, ma ọbụ aha ahụ, ma ọbụ ọnụ ọgụgụ nke anụ-ọhịa ahụ, Nkpughe 13:16, 17.

**IV Ịdọ Aka-ná-ntị**

1. Ọnụ ọgụgụ nke anụ-ọhịa ahụ bụ 666, Nkpughe 13:18.
2. Onye ọ bụla nke na-akpọ isi-ala nye anụ-ọhịa ahụ ma ọbụ nata ákàrà ya alawo n'iyi ebighị ebi, Nkpughe 14: 9-11.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

Ebuwo ọtụtụ amụma nime Agbà Ochie na nime Agbà Ọhụụ banyere onye ọjọọ ahụ nke á na-akpọ "Onye ahu nēmebi iwu" "nwa nke ila n'iyi," na "onye ahụ nke nēmegide Kraist." Aha ndịa niile na-atụ otù onye ahụ aka. Ebe ọ bụ na nkọwa nke enyere "anụ-ọhia" ahụ ná Nkpughe 13 na ámụ́má dị iche iche nke eburu n'akụkụ ndịọzọ nke Akwụkwọ Nsọ dakọrịtara nkeọma, anyị matara na nkọwa nke ebe ọgụgụ a bụ ámụ́má eburu banyere onye ahụ nke ná-emegide Kraist na ala-eze ya.

**Inweta Ala-eze ahụ**

Mgbe anyị na-agụ ma na-eche kwa échìchè banyere aha dị iche iche nke ejiri kọwaa onye ahụ ná-emegide Kraist nime Baịbụl, mmadụ nwere ike chee na onye ahụ ná-emegide Kraist ga-achụghachi ụmụ mmadụ azụ site n'iso ya ma ọbụ na ọ gaghị adịrị ya mfé irita ụwa n'urù nye onweya. Nke a agaghị abụ eziokwu, n'ihi na onye ahụ ná-emegide Kraist ga-eji ụzọ dị iche iche nke ụmụ mmadụ nabatara nkeọma: okwu ire ụtọ, udo, na ọgan'iru. "Ma otù onye eledara anya gēguzo ọtọ n'ọnọdụ-ya, onye ha nātukwasigh ebube nke ala-eze: ma ọ gābata nime na mgbe udo, were ire-utọ nile nata ala-eze ahụ. Na mgbe udo na imegide ebe nile di urù nke ala anāchi achi ka ọ gābia; ọ gēme kwa ihe nke nna-ya ha na ndi bu nna nna-ya ha nēmegh; ihe-nluta-n'agha na

ihe-nkwata na àkù ka ọ gēkesara ha: ọ bụ  kwa imegide ebe dị iche iche ewusiri ike ka ọ gēchè échìchè-ya nile, ọbuná rue mgbe akara àkà" (Daniel 11:21, 24).

Okwu ire ụtọ niile na ikwu okwu nkeọma na-atụgharị échìchè ndị mmadụ -- ọbụná échìchè ndị ahụ, ma eleghị anya, guzogideworo nke ukwu. O mewo ọtụtụ oge. Absalọm ji ire ụtọ ya wee rita obi ndị Israel n'úrù. Herod kwuru okwu nye ndị Taia na Saidọn bụ ndị o mejọworo nke ukwuu, o wee nụ ka ha tiri mkpu sị: "Ọ bu olu chi, ọ bugh kwa olu nke madu" (Ọlu Ndi-ozi 12:22). Mmadụ nke maara ka esi ekwu okwu nkeọma bụ mmadụ nwere ike, onye ahụ nke ná-emegide Kraist ga-eji kwa ikwu okwu nkeọma ya were nwetazuo ihe niile ọ chọrọ, ná-eme ụmụ mmadụ ka ha kwenye imegide Chineke kama ịdịrị Ya.

Udo bụ ihe á na-achọsi ike, ụmụ mmadụ ga-akwụ ụgwọ ọ bụla iji nweta ya. Agwara anyị na òtù ndị Kọmunist bụ nke dị nnọọ ezi ntà ma ewere ya tụnyere ọtụtụ ndè mmadụ nke mba Russia, ndị mmadụ sitere n'ọtụtụ obodo nke Europe na ọtụtụ ìgwè ndị Red China (uhie). Otú ọ dị ndị ka n'ọnụ ọgụgụ nime mba ndịa kwenyere ka ndị òtù ahụ dị ntakịrị ná-achị n'ihi na enwere ihe nke yiri udo nime mba ha wee kwe kwa mkwà nke inwebiga udo ahụ òkè karịa.

Ihe ụwa na-eti mkpu banyere ya taa bụ udo. Ndọrọ ndọrọ banyere onye ga-achị ibe ya bụ ibu arọ, ihe óké egwù, na nsogbu mgbe niile. Ụmụ mmadụ na-achọ n'ụzọ ọ bụla na nime ihe niile ha pụrụ ime n'olileanya nke ịchọta udo. Onye ahụ nke ná-emegide Kraist ga-ekwe ụwa niile mkwà udo. Okwu ya niile na ntụpụta ya niile ga-adị ka ihe dị mma ma dị kwa ebube, na nwa mgbe ntà á ga-enwe udo. "Mgbe ha nāsi, Udo na ntukwasi-obi di, mgbe ahụ na mberede ka nbibi nābiakwasi ha" (1 Ndi Tesalọnaika 5:3).

Ọgan'iru ga-abụ ihe atụkwasịrị iji mee ka mmadụ fee onye ahụ nke ná-emegide Kraist òfùfè. Ọtụtụ mgbe ọgan'iru adịghị eduba ná nsọpụrụ Chineke. Jisọs kwuru sị, "Lee otú ọ diri ndị nwere àkụ̀ ike iba n'ala-eze Chineke!" (Mak 10:23). Ọgan'iru na-abụkarị ngwa-ọlụ nke Ekwensu iji duru ụmụ mmadụ pụọ n'ebe Chineke nọ "N'ihi na ihu ego n'anya bu nkpọrọgwu nke ihe ọjọ nile di iche iche" (1 Timọti 6:10).

**Nwa nke Ọkụ-ala-mmụọ**

Tụkwasị n'onyinye dị iche iche o nwere site n'okike na ihe ọzọ niile nke ụwa nke a nke ná-adọrọ obi ụmụ mmadụ nke onye ahụ ná-emegide Kraist ga-egosị iji dọrọ ụmụ mmadụ nye onweya, o nwere ike nke dị ukwu ma dị kwa elu karịa -- "dragon ahu we nye ya ike-ya, na oche-eze-ya, na oké ichi-isi." Baịbụl na-asị, "Dragon ahu, bú agwọ ochie ahu, … bu Ekwensu na Satan" (Nkpughe 20:2). Jọn hụrụ anụ-ọhịa a ma ọbụ Onye ahụ ná-emegide Kraist ka o si n'óké osimiri pụta, nke ná-egosị ọtụtụ igwe mmadụ. Anụ-ọhịa ahụ nwere isi iri na mpi asaa, ná-ekpu okpu-eze n'elu mpi ndị ahụ, ná-enwe kwa aha nke mkwulu Chineke n'elu isi ya.

Ka Jọn nọ ná-ele anya, otù nime isi nke anụ-ọhịa ahụ dị ka etigburu ya ka ọ nwụọ. Okwu a siri ike, ná-egosi na nke a bụ ihe otiti nke ọnwụ. Achọrọ ọlụ ebube ma lụọ kwa ya ka anụ-ọhịa ahụ wee dị ndụ ọzọ. Ụfọdụ ụmụ akwụkwọ nke Baịbụl na-eche na site n'ịdị ike nke okwu ndịa, na site n'okwu a: "Anu-ọhia ahu …. gaje kwa isi n'abyss ahu rigoputa, … anu-ọhia ahu nke diri, ọ digh kwa ugbu a, ọ gābia kwa" (Nkpughe 17:8). Onye ahụ ná-emegide Kraist bụ otù nime ndị ahụ kpagburu Ndị Kraist na mbụ nke ná-abịaghachi n'ala ndị dị ndụ. Ma ọbụ onye ahụ nke ná-abịghachi ná ndụ, ma ọbụ na enyeghachiri ya ndụ ya n'oge ahụ etigbusịrị ya, ọlụ ebube nke ime ka onye ahụ ná-emegide Kraist dị ndụ ga-apụta ìhè nye ụwa niile: "O we ju ụwa dum anya, ha we so anu-ọhia ahu n'azu."

Ihe onyonyo bụ́ televishion (television) ga-abụ n'ụbọchị ahụ ma eleghị anya ụzọ ekwensu ga-esi gosipụta ike ya ma gbasaa kwa omume ọjọọ ya niile na nsọtụ niile nke ụwa (ọbụná dịka ọ na-eme ya ọtụtụ mgbe n'oge anyị a). Mgbe obodo ejikọrọ ọnụ nke Amerika (United States) zipụrụ onye ha mbụ nke ji ụgbọ elu gbaa ụwa gburugburu, ozi si n'ọtụtụ akụkụ nke ụwa bịa na ndị mmadụ weere mmasị kirie ya n'ihe onyonyo televishion. Akụkọ na-agazu ụwa niile ọsọsọ dịka n'ịdị ngwa ngwa nke amụ̀ma. Ụzọ dị iche iche na otú esi agbasa akụkọ ihe mere n'ụwa na-enwe ọgan'iru kwa ụbọchị, n'ihi nka a ekwensu agaghị enwe nsogbu ọ bụla n'igosi ụwa ọlụ ebube ya niile.

Anụ-ọhịa a bụ́ nwa nke ọkụ-ala-mmụọ ga-enwetazu ụwa niile. Ụwa ga-aja ya mma ma kpọọ kwa isi-ala nye ya, ná-asị "Ònye yiri anu-ọhia ahu?" Ụwa ga-ama na ọ baghị urù ịgbalị iguzogide ọkwá na ọchịchị ya, ná-asị, "Ònye pu-kwa-ra ibu agha megide ya?" Etiri ya ihe otiti nke ná-eweta ọnwụ, ma ọ na-adị ndụ ọzọ. Gịnị ka aga eji chọọ ibibi ya nke ugbò abụọ?. O nwere ike nke zoro ezo, nke dị njọ karịa bọmbụ ogbun'igwè. Gịnị mere aga eji kpasuo ya iwe ime ka o bibie ụmụ mmadụ? Ndị mmadụ ga-agbalị inweta iruọma ya site n'ịlụrụ ya ọlụ na iso ya lụkọọ olụ.

**Ike nke Okpukpé**

Akwụkwọ nsọ na-adọ aka-ná-ntị na ndị mmadụ ga-akpọ isi-ala nye Onye ahụ na-emegide Kraist, ya na dragon ahụ onye nyere ya ike, oche-eze na ichi isi. Ife ekwensu òfùfè abụrụwo ihe á na-anụ banyere ya ọtụtụ mgbe nime ụwa, ma ọ bụ karịrị n'oge ụwa nọ n'ọchịchịrị, na nime mba ndị ahụ nọ n'ọchịchịrị nke na-enwebeghị ezi nghọta. Ma mmadụ niile, ewezuga ndị ahụ edeworo aha ha n'Akwụkwọ nke Ndụ, ga-efe ma kpọọ kwa isi-ala nye dragon ahụ na Onye ahụ nke na-emegide Kraist. Òlee otú nka a ga-esi mee? Enyere ọzịza ya ná 2 Ndị Tesalọnaika 2:3, 4, 8-12. Enwewo ndaghachi azụ dị oké egwu site n'ebe ntọala eziokwu niile ahụ nke Kraist Jisọs tọrọ dị site n'ịgbaso Ọbịara ọhụ (Modernism), nnwoghapụta, ozizi ụgha dị iche iche, na ihe ndịọzọ. Á ga-ekpughe Onye ahụ na-emebi iwu, "nke ọbịbịa-ya di ka ilusi-ọlu-ike nke Setan n'ike nile ọ bula na ihe-iriba-ama di iche iche nke ugha, n'aghughọ nile kwa nke ajọ omume". N'ihi ụmụ mmadụ ahụghị eziokwu ahụ n'anya, ha ga-ekwere ụgha a ka ewee maa ha ikpe bụ́ ndị na-ekwereghị eziokwu ahụ kama ajọ omume dịịrị ha ezi mma. Lee otú o si dị mkpa inwe ịhụn'anya n'ebe Eziokwu nke Chineke dị! Lee kwa mkpa ọ dị ife Jisọs Kraist n'ụbọchị taa mgbe oge na ohere fọdụrụ! Okwu Chineke ga-abụ ihe ịdọ aka-ná-ntị nye ndị mmehie ka ha gbanarị iwe ahụ gaje ịbịa - gbaba n'Ọbara mkpuchi nke Jisọs Kraist.

Anụ-ọhịa ọzọ na-apụta nke dị nwayọ n'ile ya anya, nwee kwa mpi abụọ dịka nwa-atụrụ. Òlee ụdị mbibi nke mmadụ yiri nwa-atụrụ pụrụ ibibi? Jisọs dọrọ aka-ná-ntị banyere ndị amụma ụgha ndị gaje ịbịa n'ihe oyiyi nke atụrụ. Anụ-ọhịa a nke nwere mpi abụọ bụ onye amụma ụgha ahụ nke Nkpughe 19:20. Ọ na-ekwu dịka dragon ahụ, ya mere ụmụ mmadụ agaghị enwe nsogbu ịmata ebe ike ya si abịa.

Onye amụma ụgha ahụ ga-ewere ịchị isi zuru òkè n'ebe ọchịchọ ahụ nke ná-adị n'obi nke ụmụ mmadụ ife òfùfè dị. Anụ-ọhịa mbụ ahụ, nke emere ka ihe otiti ya nke ná-eweta ọnwụ laa, ka emere ka ọ ghọọ ihe ha na-efe òfùfè. Mbilite nke Jisọs Kraist site ná ndị nwụrụ anwụ abụrụwo ihe ngosi pụtara ìhè nke àtụ̀màtụ̀ Chineke banyere nzọpụta nke mmadụ ekèrè èkè; n'otù aka ahụ ka ajọ onye ahụ na-eduba ụmụ mmadụ nime mbibi ebighị ebi site nime ihe ịrịba ama nke yiri ya. Emere ka Onye ahụ ná-emegide Kraist si n'ọnwụ bilie! Ọ̀ dị ihe ịrịba àmà karịrị nke a? Onye amụma ụgha ahụ echèghị na ọ dị ihe ịrịba-àmà ọzọ karịrị ya, n'ihi nke a ọ na-eme ka ndị niile bi n'ụwa fee Onye ahụ ná-emegide Kraist òfùfè.

N'ịgan'iru igosipụta ike ya, onye amụma ụgha ahụ ga-eme ka ọkụ si n'eluigwe rịdata n'iru mmadụ niile. Mgbe ndị Israel hụrụ ka ọkụ rịdatara n'elu àjà nke Elaija, ha tiri mkpu wee sị "JEHOVA, Ya onwe-ya bụ Chineke." N'ụbọchị nke onye amụma ụgha ahụ ụmụ mmadụ n'ụzọ ná-ezighi ezi ga-ekwenyere ihe ịrịba-àmà nke yiri nke a dịka ihe na egosi izi ezi nke òzízí nke onye amụma ụgha ahụ.

**Ákàrà ahụ**

Ajọ onye ahụ amarawo ma ná-agbalị kwa mgbe niile ịkpali ọchịchọ ahụ nime obi nke ụmụ mmadụ nke inwe na iji ihe á na-ahụ anya n'òfùfè ha, ọ bụ ezie na Chineke achọghị ihe di otú a. Ekwensu na-eji ọchịchọ a n'ozuzu òkè ná-alụsi ọlụ ike n'ọgwụgwụ oge, ná-eme ka onye amụma ụgha ahụ wepụta àtụ̀màtụ̀ ka akpụọrọ anụ-ọhịa ahụ nke emererị ka ihe otiti ya nke ná-eweta ọnwụ laa ihe oyiyi. Onye amụma ụgha ahụ, n'oge ahụ nwekwara ike inye ihe oyiyi ahụ ndụ, nke mere na ihe oyiyi ahụ pụrụ ikwu okwu wee mee ka egbuo ndị niile ahụ ná-adịghị akpọ isi-ala nye ihe oyiyi ahụ.

Ajọ onye ahụ enweghị afọ ojuju nime náánị na ụmụ mmadụ na-efè ya na ndị ozi ya òfùfè; ọ ga-etinye kwa ihe eji mara ya ma ọbụ akàrà ya n'arụ ha. Onye ahụ ná-emegide Kraist na-enweta ike na ịchị isi nke gazuru ụwa niile, ma nke ọchịchị obodo ma nke okpukpé. N'oge a onye amụma ụgha ahụ ga-eme ka mmadụ niile, ma ndị ntà ma ndị ukwu, ndị ọgaranya na ndị ogbenye, ndị nwere onweha na ndị orù nara akàrà. Ụmụ mmadụ ga-arọrọ nke dị ha mma: akàrà nke pụtara ìhè á na-ahụ́ anya, ma ọbụ aha nke anụ-ọhịa ahụ, ma ọbụ ọnụ ọgụgụ nke aha ya. Ọ bụrụ na ọ dị onye ná-achọghị akàrà ahụ n'ebe á na-ahụ́ ya anya n'egdege iru ya, onye ahụ nwere ike inwe ya n'aka nri ya. Enyeghị ụmụ mmadụ ohere ịrọrọ ma ha ga-anara akàrà ahụ ma ọbụ na ha ga-arapụ: onye ọ bụla nke ná-azụta ihe ma ọbụ ná-ere ihe n'ụbọchị ahụ aghaghị inwe akàrà nke anụ-ọhịa ahụ -- ụdị nke ajọ onye ahụ.

**Ịgate-aká**

Mmehie na-arapụ akàrà ya n'obi na ndụ nke ụmụ mmadụ, ma Chineke pụrụ ihichapụ akàrà ahụ site n'Ọbara dị óké ọnụ-ahịa nke Jisọs Kraist, mgbe mmadụ si ná mmehie niile ya chigharịa. Ma otú ọ dị, apụghị iji ihe ọ bụla hichapụ akàrà nke anụ-ọhịa ahụ mgbe ọ bụla anatara ya. Ọ ga-aka mma mmadụ ịtụfu ndụ ya n'ụbọchị ahụ karịa ịnara akàrà nke anụ-ọhịa ahụ. "Ọ buru na onye o bula nākpọ isi ala nye anu-ọhia ahu na ihe-oyiyi ya, nānata kwa akàrà-ya n'egedege-iru-ya, ma-ọbụ n'aka-ya, ya onwe-ya gānu kwa nime manya nke

ọnuma Chineke, nke edoziworo nāgwagh-agwa nime iko nke iwe-Ya; agēji kwa ọku na brimstone mekpa ya aru n'iru ndi-mọ-ozi di nsọ, na n'iru Nwa-aturu ahu: anwuru-ọku nke nmekpa-aru ha nārigo rue mgbe nile ebigh-ebi; ha adigh-ezu kwa ike ehihie na abali bú ndi nākpọ isi ala nye anu-ọhia ahu na ihe-oyiyi-ya, ma ọ buru kwa na onye ọ bula anata akàrà nke aha ya" (Nkpughe 14:9-11).

**Mgbanarị**

Chineke arọpụtawo ụzọ mgbapụ site n'oge a nke óké nsogbu na ụgwọ-ọlụ ọjọọ ebighị ebi nke ná-eso ya. Jisọs na-abịaghachi n'ụwa nke a iwepụ ndị nsọ Ya ndị ná-emeri emeri tupu ekpughee onye ahụ ná-emegide Kraist n'ọchịchị mkwulu ya. Chineke agbasawo ọkpụkpọ òkù ahụ nye mmadụ niile ka azọpụta ha. Anyị na-ebi n'oge dị óké egwù, obi ụmụ mmadụ kwesị kwara ka akpalie ha tupu mbibi a nke ga-abịa na mberede ewee bịakwasị ha. Ka Chineke nyere mkpụrụ-obi ọ bụla aka iwere oghere ọma ahụ mee ka ya na Chineke dị n'udo n'ụbọchị taa!

"Ma murunu anya n'oge ọ bula, nārịọ aririọ, ka unu we ka n'ike igbanarị ihe ndịa nke gaje ime, na iguzo n'iru Nwa nke madụ" (Luk 21:36).

### AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Òlee aha ọzọ nke á na-akpọ anụ-ọhịa ahụ? Na nke dragon ahụ?
2. Gịnị mere anụ-ọhịa ahụ ga-eji ju ụwa anya?
3. Ònye ka ụmụ mmadụ ga-efe òfùfè n'ụbọchị ahụ?
4. Ògologo oge ra añaa ka anụ-ọhịa ahụ ga-adịgide?
5. Òlee ndị anụ-ọhịa ahụ ga-achị?
6. Gịnị ka onye amụma ụgha ahụ ga-eme?
7. Òlee otú anụ-ọhịa ahụ ga-esi kaa ndị ná-ejere ya ozi akàrà?
8. Òlee ndị ga-anara akàrà nke anụ-ọhịa ahụ?
9. Gịnị ga-abụ ọgwụgwụ nke ndị ahụ ga-anata akàrà nke anụ-ọhịa ahụ?